Iwela Obele N'ideatọ Nke Steeti Imo Nke si n'aka

Ezesinachi, Juliet Ngozika
Department of LinguisticsUniversity of Nigeria, Nsukka
+2348033223859/+2348154751685
sinchijully@gmail.com & ngozi.ezesinachi@unn.edu.ng

Dim, Celestina Chikaọdịnaka
University of Nigeria, Nsukka
Na
Ihedigbo, Ruth Ebere
Department of LinguisticsUniversity of Nigeria, Nsukka
+238034722818
ebereihedigbo@gmail.com

Ụmịedemede

Nchọcha a nke isiokwu ya bụ "Iwela obele n'Ideatọ nke Steeti Imo", bụ nke lebara anya n'ụfọdụ mmemme ndị a na-emere nwa agbọghọ oge ọ na-alụ di. Obodo ọbụla n'ala Igbo na-eme mmemme ịlụ nwaanyị, mana ndị obụla na-eme nke ha dịka omenaala be ha si di. Mmemme "Iwela Obele", dịka ọrụ nchọcha a siri kọwapụta bụ mmemme a na-emere nwa agbọghọ na-alụ di tupu ọ laa be di ya kpamkpam. Nchọcha a bụ nchọcha nkọwa. Mbunuuche nchọcha a bụ [chọpụta ihe kpatara eji họrọ mmemme a dịka otu n'ime ihe ndị a na- emere nwa agbọghọbịa na-alụ di. Atụtụ e jiri rụọ ọrụ a bụ atutụ nkọwa. Ngwa nchọcha e jiri rụọ ọrụ a gụnyere ajụjụ ọnụ nke anyị gbara ndị mmadụ ụfọdụ gbasatara mmemme a. Anyị tụlegharịrị ọtụtụ ọrụ a rụrụla n'ụfọdụ isiokwu dịka; Ịwa akwa, ịkụ aka, ịbọ ụzọ nakwa ndị ọzọ omenaala a na-eme n'ala Igbo. Ebe ọzọ anyị siri nweta ngwa nchọcha bụ ekwentị, akwụkwọ nta akụkọ, ihe onyoonyo televishịọn, nakwa igwe kọmputa. Mmemme a nke e meere nwa agbọghọbịa bi nso n'ebe anyị nọ, kacha wee nyere anyị aka iji chọpụtasịa ihe ihe niile a tụrụ anya bụ nke e kwesịrị ịchọpụta maka mmemme a. Ihe ndị anyị chọpụtara gụnyere (i) Ihe kpatara e ji eme mmemme a (ii) Uru na ọghọm dị na mmemme, ya bụ ihe mmemme a na-abara nwa agbọghọ na-alụ di, ihe mmemme a na-abara ezinụụlọ nwa agbọghọ ahụ nakwa ihe ọ na-abara obodo. Ṅdị nchọcha tụnyekwara aro ka ụmụ agbọghọbịa na-

ejigide onwe ha aka wee chere oge nke ha makana agbọghọbịa kpaa ezi agwa, ezi di akpọ ya ihu.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Obele, mbụbọ, itootu, udu mmanya, ịnọ izu, omenaala ịla di.

Abstract

This study focuses on "Returning of Palm-wine Keg" in Ideato Imo State. According to the research, 'Returning of palm-wine keg'is one of the mini traditional marriage ceremonies performed for a bride in the course of her customary marriage rites, before she will eventually move to her husband's home. The aim of the study is to discover the reason(s) behind the peoples' acceptance of such ceremony as one of the rites to be performed for the bride before the final marriage rites. This is because every action has a motive. The research was pedaled via descriptive framework. Data was collected through interviews conducted with few persons, Gsm (Handsets), news papers and magazines, televisions and computers. The researchers reviewed many other related course works such as, "Ịwa akwa", "Ịkụ aka", "Ịbọ ụzọ" and many others as regards to Igbo Cultural heritage. From the research so far made, the researchers were able to discover the reasons for the ceremony. Furthermore, through the research they were able to unveil the merits and the demerits of the ceremony, both to the bride, the bride's family and the society at large. Young ladies were encouraged to exercise self control over their emotional behaviours in order to secure a befitting life partner as well as to be accorded with the exalted customary rites.

Keywords: Palm-wine, Keg, Culture, Marriage, Rites**.**

1.1 Mkpọlite

Ọ na-abụ agbọghọ gafee onye mụrụ, ọ banye onye na-alụ. Ọ bụ nke a mere na ọ dịghị nwa agbọghọ ọbụla chọrọ ịbụ "nna ga-alụ". Ndị Igbo kwenyere na di bụ ugwu nwaanyị. Ha kwenyekwara na agwa bụ mma nwaanyị. Ọ bụ nke a mere na nwa agbọghọbịa ọbụla chọrọ ịlụ di, nwee ezinụụlọ nke ya, ma nwetekwa nkwanye ugwu na-eso ya. N'ihi nke a, nwa agbọghọbịa ọbụla na-ejisi ike na- akwanyere onwe ya ugwu, ghara imetọ onwe ya iji wee nweta ezigbo di. Ndị Igbo tụrụ ilu si na ọ bụ nkụ ka e ji ere ehi. Ọzọkwa bụ na nwa kepukepu na-aga, nwa mumu

mumu ana-eso ya. Ihe nke a pụtara bu na omume ọbụla mmadụ na – eme, o nwere anya na-ahụ ya.

A bịa n'ala Igbo, ọdị ọtụtụ emume a na-emere nwa agbọghọbịa na-alụ di bụ nke gụnyere; ịkụ aka, ijụ ese, ịnọ izu ma ọ bụ nkwe izu; ime ego isi nwaanyị; iwela obele nakwa emume ndị ọzọ dị etu ahụ. Mana nchọcha anyị gbadoro ụkwụ na, "Iwela Obele" dịka ọ dị n'Ideatọ nke steeti Imo. Iwela obele bụ Otu n'ime mmemme a na-emere nwa agbọghọbịa tupu ọ hapụ nne na nna ya laa na be di ya. Bido n'ụbọchị mbụ nwokorobịa zutere nwa agboghọbịa wee gwa ya na ya nwere mmasị ka ha abụọ bụrụ di na nwunye, ọ bụrụ na nke nwa agbọghọ ahụ anabata okwu ya, o nwere ụdị aṅụrị na-adị ma nke nwoke ma nke nwaanyị n'obi. Nwa okoroọbịa ahụ na-ejiri aṅụrị lakwuru nne na nna ya ma kọwaara ha na ya ahụla onye ya ga-alụ. Nne na nna nwa okoroọbịa ga- agwa ya ka ọ kpọta nwa agbọghọ ahụ ka ha hụ ya anya. Ha hụsịa nwa agbọghọ ahụ wee bụrụ na obi ha nabatara ka nwa ha nwoke lụwa ya, ha ga-amalite jewe njem dị na ya.

N'ala Igbo, otu onye anaghị alụ nwaanyị. Nke a bụ n'ihi na ndị Igbo kwenyere na nwa bụ nwa ọha, ọzọ bụ na ana-alụ nwaanyị site n'agbụrụ. Ha kwenyere na nwaanyị ọbụla sitere n'ezigbo agbụrụ, ga-amụta ezigbo ụmụaka. Ọ bụ nke a mere na ha na-ajụ ese tupu ezinụlọ ekwekọrịta ịlụbata nwaanyị n'ụlọ ha n'ihi na ajụghị ajụ eri, kpatara arịaghị arịa anwụ.

1.2 Atụtụ Ọrụ

Atụtụ e jiri rụọ ọrụ a bụ atụtụ nkọwa. Nke a pụtara na obodo ọbụla nwere ụzọ nakwa usoro ha si eme ihe ọbụla ha na-eme. Otu ndị si eme, abụghị ka ndị ọzọ si eme. Otu ndị si ebi ndụ, abụghị ka ndị ọzọ si ebi ndụ nke ha. Nkọwa anyị nwetere site na nchọcha a mere ka anyị mata na emume 'Iwela Obele' malitere na mgbe gboo. Odenigbo (1967) kọwara na mmemme a bụ nke eji eme ka nwa agbọghọ nwete nkwanye ugwu site n'aka ndị mụrụ ya nakwa n'aka ndị na-alụ ya. Ọzọ dịka ibe ya bụ na ọ bụ eziokwu na anyị niile bụ ndị Igbo, mana ọ bụghị otu ndị si eme ihe nke ha (Omenaala), ka ndị ọzọ si eme nke ha. Ideatọ nke steeti Imo nwere ugwu (North) nakwa ndịda (South). Obodo ndị nke nọ n'akụkụ Ugwu gụnyere: Akọọkwa, Osina, Obodo ukwu, Isiokpo, Uruala, nakwa Arọ Ndịizuọgụ. ebe obodo ndị nọ na ndịda gụnyere: Ụmụobom, Ntueke, Isiekenesi, Dikenafaya, Ụmụakam, Ụmụagọ, Ụmụma Isiakụ nakwa Ogboko. Ndị a niile nwere otu ụdị

omenaala n'ihe gbasara alụmalụ, iti mmọnwụ, akwamozu, iri ji ọhụrụ dirị gawazie.

1.3 Ọhịa Ajụjụ

Akụkọ kọrọ na Oge nne na nna nke nwoke hụchara nwa agbọghọbịa ahụ ma nabata na nwa ha ga-alụ ya, ha ga-abanye ihe a na-akpọ "Ọhịa ajujụ". Ụfọdụ ihe bụ ihe kpatara e ji eme nke a. Nke mbụ bụ ịchọpụta ma ezinụụlọ ahụ ha bụkwa ndị ezigbo mmadụ. Ihe ndị ọzọ a na-ajụkwa bụ ma ha nwere ajọ ọrịa n'agbụrụ ha dịka; isi mgbaka, akwụkwụ, ụkwara nta, ọrịa shuga, ọrịa isi anya ọcha dịrị gawazie. Ọzọ dịka ibe ya bụ ma ha bụ ndị na-anwụ ọnwụ ike? Ha na-ezu ohi? Ha na-ebikwa na di? Ha bụ ndị ọnọ na di achọ di, ya bụ ha na-agba n'ezi n'agbanyeghị na ha alụọla di? Tinyekwara otụtụ ihe ndị ọzọ dịka nke ahụ bụ nke ekwesịrị ịchọputacha. Ọ bụrụ na-emesịa nke a ma o nweghị ihe dị njọ ha chọpụtara, ha ga-akwadotezi maka ịga hụ nne na nna mụrụ nwatakịrị nwa agbọghọbịa ahụ.

Iga ụdị njem dị otu a, anaghị adịcha mfe. Ọ chọrọ nka, amamiihe nakwa uche zuru oke. Ọ bụ nke a mere na nne na nna nke nwoke na- eduru otu okenye ma ọ bụ abụọ site n'ụmụnna ha wee tinyere onwe ha maka ịga njem di otu ahụ. Ha na-ebu udu mmanya were aga ije d[otu a. Ọ bụrụ na ha eruo, ndị nwe ụlọ nabata ha, onye okenye ahụ so ha wee gaa njem ga–ekele nwoke nwe ụlọ. Ọ ga-agwa ya na ha butere mmanya ka ha na ya ṅụọ. Nna nke nwaanyị ga-asị ya kwuo ihe ya na mmanya so, makana o jirila uche mara na ụdị ije a anaghị abụ na nkịtị. mana okenye ahụ ga-asị ya ka ha ṅụchagodu mmanya tupu ha e kwuo ihe bụ isi ije ha. Nke a bụ n'ihi na ndị Igbo tụrụ ilu sị na a naghị eme gbalụgbalụ aracha mkpụrụ aka, a naghị afawanye ya n'elu. Ọzọ dịka ibe ya bụ na ọjị kpọrọ Eze ihu, anaghị alaghachi azụ. Ọ bụrụ na ha ṅụcha mmanya, onye okenye ahụ ga- eji ilu wee kọwara nna nke nwaanyị ihe butere ha na be ya. Ụdị asụsụ a na-eji eme nke a bụ, "O nwere ụdara ọma anyị hụrụ na be gị, anyị wee bịa mara ma ị ga-ekwe ghọnye anyị." O nwekwara ike ha as[na o nwere qkxkq qcha ha hxrx n'xzq, ha chxba ya q gbabata na be ya na okwu nd[qzq yitechara bke a. Ha niile ga-achị ọchị. Nna nke nwaanyị ga-ekele okenye ahụ ma gwakwa ya na ọ ka na-agba okwu gburu gburu. Ọ ga-asị ya kpọọ okwu aha ka ya wee ghọta kpọmkwem ihe ọ na-ekwu maka ya. Okenye ahụ ga-etu ya aha otutu ya dịka; Onowu, Ọzọ Nnanyereugo; Okwuruọha dịrị gawazie. Ọ ga-agwa ya na ndị Igbo tụrụ ilu na onye a tụụrụ ilu kọwaara, mara na ego e jiri lụọ nne ya lara n'iyi. Ha niile ga-achịkwa ọchị. Oge

ahụ, ka nne na nna nke nwaanyị ga- agwa ha ka ha laa. Emesịa na ha ga-anụ ozi ha. Ọ bụ oke na ọrụ dịịrị nne na nna nke nwa agbọghọ ahụ ịjụ nwa ha nwaanyị ajụjụ ma obi ya ọ nabatakwara ndị ahu na-abịara ya di ka ọ bụ na ọ nabataghị? Ọ bụrụ na ọ nabatara ha, nne na nna ya ga-ezizi ndị ahụ ozi ka ha bịa n'ihi na ije ha nwere isi.

1.4 Usoro esi eme mmemme a

Ihe ọbụla mmadụ na-eme n'ụwa a nwere usoro e si eme ya. Anyanwụ (2015), kọwapụtara na mmemme a na-aga na nkeji na nkeji. Nke mbụ bu"Nwa m etoola". Ndị chọrọ ịlụ nwa agbọghọ ahụ ga-eji obi aṅụrị bịaghachite oge ndị mụrụ nwa agbọghọ ahụ ga –ezi ha ozi na nwa ha ekwetela ka ha lụwa ya. Ọ bụ nne na nna nke nwa okoroọbịa ahụ tinyekwara okenye ahụ soro ha bịara izizi, na abịaghachite. Ha na-eme nke a iji naa nwa agbọghọ ahụ aka maka ikwete ka ha lụwa ya. Ha na-enyekwa ya ntakịrị ihe onyinye. Nke a gasịa, ha alaa ga kwadozia maka ịkụ aka n'ụzọ. Ndị obodo ụfọdụ na-akpọ ya, "Mgbaị ihe". Nke a pụtara na aka ejidego nke nwaanyị ka onye ọzọ gharakwa ịga okwu ogiri ebe ha gara okwu ụkpaka. E mesịa nke a, ha akwadozie maka mmanya nta.

2.1 Ntụleharị Agụmagụ

Ndị mere nchọcha a tugharịrị ọtụtụ agumagụ nakwa orụ ndị ọzọ rụrụla n'isiokwu yitewere nke a. Ụkaegbu (2009), kọwara na mmanya nta bụ iji kọọrọ ụmụnna na nwa ha nwaanyị na-alụ di. Nke a na-abụ obere mmemme nke ọ bụ ndị mụrụ nke nwaanyị na-esi erimeri na ya wee nye ndị ọbịa bịara na be ha. Ọ bụ na mmemme mmanya nta a, ka emume iwela obele dị n'ime ya. Ndị ọgọ ya bụ ndị chorọ ilụ nke nwaanyị na-ebukwa mmanya abịa. Onye bụ onye isi n'ụmụnna ga-akpọpụta nwa agbọghọ ahụ n'ihu ndị niile bịara ịlụ ya nakwa n'ihu ndị mụrụ ya wee jụọ ya ajụjụ ole na ole. A na-enwekwa onye aka ebe bụ nke na-esite n'ụmụnna nke nwnaanyị. Ọ bụrụ na nwa agbọghọ ahụ zasịa ajụjụ ndị ahụ etu dị mma, ọ ga-ajụkwa ya ọzọ sị, "Ya bụ na Ị sị anyị ṅ'ụba mmanya?" nke nwa agbọghọ ahụ ga-asị ha "Ee". Mgbe nke a mere, ndị bịara ịlụ nwa agbọghọ ahụ ọkachasị nne di ya, ga-eji aṅụrị makụọ ya. Ndị bịara ịlụ ya ga-enyekwa ya ego na ihe onyinye ndị ọzọ dị iche iche. Ndị ụmụnna ha ga na-etucha otu a,

"Ezedike kwenu…yaa!
Ọbododike kwenu…yaa!
Mụọnụ …. yaa!

Zụọnụ…. yaa!
Kwezuonuo …. yoooo!

Mgbe nke a gasịrị nwa agbọghọ ahụ ga- esoro ndị di ya ahụ wee laa. Ọ bụ nke a ka a na-akpọ, "Iwela obele". Ọ ga-anọ izu abụọ ndị Igbo, ya bụ abalị asatọ. N'ime abalị asatọ a ọ ga-anọ, ọ ga na-agbalite ụzọ wee zaa mbara ezi ndị ụmụnna di ya niile kwa ụtụtụ ọbụla. Ọ ga-enwe nwa agbọghọbịa ga na-edugharị ya mgbe ọ na –eme nke a.
Dịka Uchendụ (2005) kọwapụtara, ihe mere o ji eji ezigbo isi ụtụtụ aza ihe ahụ bụ ka ndị nwe ụlọ ghara ịma onye zaara ha ezi. Oge chi fochaziri, ha ahụ na azaala ezi ha, ha ebido jụwa onye zara ya, oge ahụ ka a ga-agwa ha na ọ bụ nwunye ọhụrụ ha zara ya. Nke a ga-eme ka ndị na-amaghị na ha nwere nwunye ọhụrụ n'ogbe ha mata nke a.

2.2 Ndula onye gara iwela obele

Ebuo (2004) kọwapụtara eziokwu dị n'okwu a sị ụzọ dị mma, agaa ya ugboro abụọ. Ọzọ dịka ibe ya bụ, na aka nwa ọrụ ji ụla ya. N'isi njedebe izu abụọ ahụ, ndị di nwa agbọghọ ahụ tinyekwara ụmụnna ndị di ya ahụ niile ọ zaara ezị, na-akwara ya ngwongwo ma dụlaa ya n'ụlọ nne na nne ya. Ha mesịa ha alaa. Ndị mụrụ nke nwaanyị ga na-egezi ntị ịmata ma ndị be nke nwoke ha ga-ezite ha ozi maka ịbịa mezie ego isi nwaanyị nakwa ihe ndị ọzọ fọdụrụ. Ọ bụrụ na omume nwa agbọghọ ahụ masịrị ha, nke a ga-eme ka ha bịaghachite azụ, mana ọ bụru na o masịghị ha, ha ga-esizi etu ahụ feere ya aka.

2. 3 Ihe kpatara eji eme mmemme a

Ụzọigwe (2010), n'akụkụ nke ya kọwapụtara na ebumnuche eji na-eme mmemme a bụ "Iwela obele", bụ iji nyere nwa agbọghọ aka ka ọ mata ụdị ebe ọ na-alụ di. Ọ bụ inye nwa agbọghọ ohere iji aka ya wee họrọ onye ọ chọrọ ịlụ nakwa ebe ọ chọrọ ibi dịka be di. Nke a ga-eme ka uche ya dị n'ihe ọbụla ọ na-eme ma ọ bụrụ na ọ gaa ebe ahụ. N'aka nke ọzọ, ọ bụ ụzọ esi aja nwa agbọghọbịa jidere onwe ya ruo oge ọlụlụ di yam ma. Nke a bụ n'ihi na ọ bụghị nwa agbọghọbịa niile ka a na-emere emume a. Nwa agbọghọbịa ọbụla nọrọ n'ụlọ nne na nna ya wee tụrụ ime, agụpụla onwe ya na mmemme dị otu a. Nke a bụ n'ihi na o bula ụzọ mechuo onwe ya ihu.

2.4 Uru mmemme a bara

Dịka Chidiobi (2008) kọwara na ahịa uru na-adịghị na ya, anaghị azụ ya azụ. Ya mere tupu a họrọ mmemme a maka ụmụ agbọghọ ndị na-alu di, o nwere ihe dị mma a hụrụ na ya, bụ nke ga-abara ha uru ma nyekwa ha ezigbo nkwanye ugwu. Ọ dị ọtụtụ uru mmemme a baara ma nwa agbọghọbịa na-alụ di ma ezinụụlọ o siri pụta nakwa ma obodo nke o bi n'ime ya.

1. Nwa agbọghọ ọbụla e meere mmemme a na – enwe nnukwu ugwu na nsọpụrụ n'ebe ọ na-alụ di ya nakwa na be nna ya. Ndị nwunyeedi ya na-akwanyekwara ya nnukwu ugwu, ọ kachasị ndị a na-emeghịrị mmemme dị etu ahụ.
2. N'aka nke ọzọ, ezinụụlọ nwa agbọghọ dị etu ahụ na-enwetekwa nkwanye ugwu n'ebe ọ dị ukwuu.
3. Ọzọ dịka ibe ya bụ ihe obodo ga-erite na mmemme a bụ na ndị obodo na-enweta ezigbo aha n'ihi na ụmụ ha na-eme nke ọma. Aṅụrị na-adịkwa n'obodo n'oge ana-eme mmemme dị otu a.

2.5 Ọghọm dị na mmemme a

Ndị Igbo sị na iheọbụla nwere uru, nwekwara ọghọm. Ọ bụ n'ihi nke a ka anyị ji chọọ ka anyị rụtụ aka n'aka n'ụfọdụ ọghọm dị na mmemme a bụ, "Iwela Obele".

1. Ndị chọrọ ịlụ nke nwaanyị a naghị enwekwa mmasị ịga n'ihu ime nke a, n'ihi agwa ọjọọ ndị ha chọpụtara n'ahụ nke nwa agbọghọ ahụ.
2. Ọzọ dịka ibe ya bụ na ụfọdụ ndị nwoke na-ejichaghị ego iji mee ihe dị n'isi nwunye ha, na-eji ohere ahụ wee tụwa nwa agbọghọ ahụ ime, wee site n'ụzọ dị otu a mezie ka nwa agbọghọ ahụ bụrụzia nwunye ya, n'agbanyeghị na ọ dịbeghị ihe ndị o merela n'isi ya.

3.1 Ntụlegharị ọrụ ndị ọzọ rụrụ

E nweela ọtụtụ nchọcha e merela n'isiokwu yitewere nke a. Mana ebụmnuche ntụlegharị agụmagụ a bụ iji chọpụta myiri nakwa ndịiche dị na ha. Site na nchọcha anyị mere, anyị chọpụtara na ọtụtụ n'ime ọrụ ndị ahụ anyị tụlegharịrị hịwere isi n'omenaala. Dịka nchọcha anyị mere si dị, Nwizugbe (2004) mere nchọcha ya n'isiokwu bụ, "Ịbọ ụzọ". N'out aka ahụkwa, Ọnọniwu (2003) mere nchọcha ya n'isiokwu bụ "Ịwa akwa". N'ịga n'ihu, anyị chọpụtara na Omenaala ndị a niile bụcha nke a na-eme n'akụkụ Owere nke Steeti Imo. Site na nchọcha a, anyị chọpụtara na dị ndịiche na Omenaala ndị a bụ na 'Ịbọ Ụzọ' bụ maka ụmụ

okoroọbịa rurula oge ịlụ nwaanyị, ebe Iwela Obele bụ maka ụmụ agbọghọbịa na-alụ di.

3.2 Nchịkọta ntụlegharị agụmagụ

Ntụlegharị ọrụ ndị ọzọ rụrụ n'isiokwu yitewere nke a, mere ka o wee anyị anya na Omenaala Igbo bụ nnukwu ihe n'be ndị Igbo nọ. Ọzọ dika ibe ya bụ na omenaala obodo bụ obodo ahụ. Nke a bụ n'ihi na obodo anaghị adị iche, omenaala ya dịrị iche. N'ịga n'ihu, ntụlegharị ọrụ ndị ọzọ rụrụ nke anyị mere nyekwuziere anyị aka ma meekwa ka o doo anyị anyị karịa na ndị Igbo ejighi ihe gbasatara alụmalụ egwu egwu. Onye Igbo ọbụla, ma nwata ma okenye matara na alụmalụ bụ nnukwu ihe ma na –akwanyekwara ya ugwu.

4.1 Nnweta Njiatụle (data)

Anyị nwetere njiatule anyị site n'ajụjụ ọnụ anyị gbara ndị mmadụ ụfọdụ n'isiokw a, ebe ọzọ anyị siri nweta njiatụle bụ, ekwentị, akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche anyị gụrụ nke merela ihe gbasatara omenaala Igbo, akwụkwọ nta akụkọ, igwe kọmputa nakwa ihe onyoonyo televishịọn.

4.2 Ntụcha Data

Ihe ụfọdụ pụtara ihe n'ebe nwa agbọghọ ahụ nọ

Ndị Igbo sị na o nweghị onye a bụnyere nnu n'ọnụ, ya abụpụ. Anyị chọpụtara na ekpere nwa agbọghọbịa ọbụla bụ ka ya lụọ di si be nna ya pụọ ma gaa biri be nke ya. Ọ bụ nke a mere na oge ọbụla di bidoro bịawara nwa agbọghọ, ihe dị iche na-adị na ndụ ya. A na-ahụta mgbanwo dị iche iche n'ahụ ya, ma na ụdị omume ọ ga na-eme ma na ụdị ekike ọga na–ekezi. N'ihe ndị a niile, ihe kacha eme ya obi ụtọ bụ na ya azọnyela ụkwụ n'ịzawa "Nwunye Ọga". Mgbe na-adịghị anya, aha otutu ya ga-abụzi "Oriakụ". Ọ ga –enwezi nnukwu ugwu na nsọpurụ n'ezinụụlọ nne na nna ya, ma n'ebe ndị ọtọrọ nakwa n'ebe ndị tọrọ ya nọ. Oge ọbụla o chetere nke a, ihu na-abụ ya sọ amụ. Nke a na-eme ka ahụ na-adị nwa agbọghọbịa ahụ mma oge niile. Ma oriri nri ma ọ bụ na o righị, obi na-ejupụta ya n'aṅụrị. Ihe ọ na-emekarịzi oge ahụ bụ ị na-edozi onwe ya.

4.3 Ọzụzụ banyere ọnọdụ ọhụrụ iwela obele
Ndị ọ bụ ọrụ ha ịzụ nwa agbọghọ a ọzụzụ

Mgbe ọbụla mmadụ nwetere ọnọdụ ọhụrụ ma ọ bụ ịbanye n'ọnọdụ ma ọ bụ ọkwa ọhụrụ, o nwere ọzụzụ na-esote nke a. Otu a ka ọdikwa n'ebe nwa agbọghọbịa na-achọ ịla be di nọ. A na-enwe ndị nne nwaanyị ihe dịka mmadụ abụo ọ bụ ọrụ ha inye nwa agbọghọbịa ọzụzụ. Ha ga-azụ ya ọzụzụ a site n'ịkụziri ya ka esi ebi na di. Ha ga-akụziri ya ihe ndị ọ ga na-eme ka ụkwụ ghara ịpụ di ya iro. Ọ bụghị sọ nke ahụ, ha ga-akụzikwara ya ụdị omume ọ ga na-emeso di ya iji wee rie di ya obi.

Egwu ụfọdụ a na-agụrụ nwa agbọghọ a

Oge nwa agbọghọ na-achọ ịla be di ya n'ụbọchị ahụ ọ na-aga iwela obele, umụ ntakịrị ụmụ agbọghọ ndị na-esote ọgbọ ya na-agbakota gụọrọ ya egwu. Ọ bụrụ na ndị di ya apụta chọwa ịla, ụmụ agbọghọbịa ndị ya na ha bụ ọgbọ na-akpọba ya n'ime ụlọ. ha ga na –asị ndị ọgọ lawa na nwanne ha nwaanyị agaghị eso ha. N'akụkụ nke nwa agbọghọ a, ọ na-enwe ụdị mmetụta abuọ. Nke mbụ bụ na ọ chọrọ ịlụ di. ṅke abụọ bụ na obi ụmụnne ya na-eme ya. Nke a na – eme ka nwa agbọghọbịa bido bewe akwa oge ụfọdụ. N'ikpeazụ, ụmụnne ya ndị ụmụ agboghọbia ahụ ga-akpọpụta ya. Oge ha ga-achọ ịmalite ụla, ụmụ agbọghọbịa ntakịrị ndị na-esote ọgbọ ya ga na-agụrụ ya egwu ndị dị otu a:

EGWU

Ada nwanne m alawala di o, aaa eee
Ihuoma ga-esoro ya aaa eee
Ada nwanne m alawala di o, aaa eee
Akụnụụba ga-esoro ya …. aaa eee
Ọmụmụ ga-esoro ya aaa eee

II

Nwanne m ebewela, ndị di ya achịwala
Nwanne m ebewela, ndị di ya achịwala
Jide obi gị aka, ebezila akwa
Ọ ga-adịrị gị mma
Ọbasị bi n'elu ga-enyere gị aka, nwanne m lawa oo!

5.1 Nchịkọta

O nweghị ihe dịka mmadụ I nweta ọnọdụ ọhụrụ. Mmadụ I nweta ọnọdụ ọhụrụ na- egọsi na ọnye ahụ na-eto eto, na onye dị otu ahụ abụghị akakpọ. Ihe ọhụrụ ọbụla batara n'ime mmadụ, na- eweta obi aṅụrị na ndụ onye dị otu ahụ. Nwa agbọghọbia ịga di bụ ihe ọhụrụ mere na ndụ ya. Nke a bụ n'ihi na ọ hapụla ogugo ọ nọ na mbụ ma gafee n'ogugo nke ọzọ. Ọzọ dịka ibe ya bụ na ọ gbanwokwaala aha. Ọ bụrụ na ihe ọ na-aza na mbụ bụ "Idike", wee lụọ di na nke ndị be "Dike", ọ ga-ahapụzị 'idike', ma zawazie 'Dike', ya bụ aha di ya.

Ihe ọhụrụ ọbụla mere na ndụ mmadụ na –eweta aṅụrị n'ime ndụ onye ahụ. Aṅụrị dị otu ahụ anakwaghị ezo ezo. Ọ bụ nke a mere na ị hụ nwa agboghọbịa ọbụla di na-abịara, o na-egosi n'ahụ ya.

Nchocha a mere ka anyị mata na ọ bụghị soọsọ nwa agbọghọbịa na-enwe aṅụrị. Nne na nna ya nakwa ụmụnne ya, sokwa wee na-enwe aṅụrị a. nke a bụ n'ihi na ha amụtala nwa ruru ogo ibi be mmadụ dịka be nke ya. Ọzọ dịka ibe ya bụ na obere oge ha enwee nwa nwa.

N'aka nke ọzọ, ọhaneeze na-esokwa ekete oke n'ụdị aṅụrị dị otu a, n'ihi na elu anaghị adawa ghara uko. Ọ pụtara na ebe mmemme ahụ bụ n'ime obodo ka a na-eme ya, ndị obodo ga- esonyekwa n'ihe ọbụla a na-eme n'ụbọchị ahụ.

5.2 Ntụnye Alo (Echiche)

Ndị nchọcha tụpụtara alo ka ọhaneeze nakwa ndị ọchịchị obodo tinye aka n'ichekwa omenaala ndị a ana-eme gbasara alụmalụ. Ha tụpụtakwara alo ka ndị nchọcha ọzọ mee n'isiokwu a bụ, Igbochi ọghọm na-esi n'iwela obele apụta.

Edensibịa

Ọgụgụa Paul. (2003). Igbo Understanding of man. True Philosophy of life. Ibadan: Double Pee Communication.

Ọhaneeze Ndị Igbo, Anambra state (2005) "Ọganiiru anyị dị n'aka anyị". Our destiny is in Our hands. Igbo Day.

Ọnụekwusi Jasper Ahaọma (2015), Fundamentals of African Oral Literature. Revised Edition Enugu: Wiko printing Press.

Madụekwe J. I (1987) Uru nwa. Ikeja: Apex Publishing Company.

Ogbalu F. C (1979) Omenaala Ndị Igbo. Onitsha: University publishers.

Osuagwu B. I. N (1979) Ndị Igbo na Omenaala ha. Owerri: Macmilla Press.

Ubesie T. (1987) Ọdịnaala Igbo. Onitsha: University publishers.

Njọkụ, B.D (1991): Education for National Development. National Condord: Vol. 12 No. 69.

Ofomata C.(2004): Ndezu Ụtọasusụ Igbo maka Senior sekọndịrị. Format publishing Company, Enugu.

Ụwalaka, L.T (1999): Technology, Education and National productivity. Onitsha: uni-world publishing Company Ltd.

Stan D. (2001): Foundamentals of Education. Ibadan: Stan publication, Ibadan.

Ngosipụta Ndị A Gbara Ajụjụ Ọnụ

AHA	AFỌ	AKA ỌRỤ	ỤBỌCHỊ E MERE YA
Nwoko Jerald	70	Onye Ọrụ bekee	15/12/2023
Okoli C.Y	68	Oji ego achụ ego	15/ 12/2023
Anichebe Williams	60	Onye Ọrụ ugbo	08/01/2024
Ọkwọ Nkechinyere	55	Onye nkuzi	10/01/2024